Ntulekọrịta Agwa Na Akparamagwa N' Ụfọdụ Akụkọ Ifo Na Iduuazị

Onuoha, Joy Adaeze
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2348035503964
adaeze.onuoha@unn.edu.ng

Ihedigbo, Ruth Ebere
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2348034722818
ebere.ihedigbo@unn.edu.ng
Na
Orji Peace Mmesoma
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2348142361572
peacemmesoma15@gmail.com

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na ntulekọrịta agwa na akparamagwa n'ụfọdụ akụkọ ifo na iduuazị ndị a họọrọ. Ọtụtụ ndị ọkachasị ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ, ndị ntule, ndị nchọcha maọbụ ndị nnyocha na-eche na ndịiche dị na agụmagụ ọnụ na nke ederede bụ naanị n'ụzọ nzipụta. N'ihi ya, ebumuche izugbe nchọcha a bụ itulekọrịta agwa na akparamgwa dị n'akụkọ ifo na iduuazị ndị a họọrọ iji zipụta myiri na ndịiche dị na ha abụọ. Ọrụ a gbadooro ụkwụ n'atụtụ mmekọrịta mmadụ na gburugburu ya wee lebara isiokwu a anya. Nsiri nweta data bụ n' ụfọdụ akụkọ ifo na iduuazị a họọrọ. Nchọpụta gosiri na myiri na ndịiche dị n'etiti ụfọdụ agwa akụkọ ifo na nke iduuazị gụnyere ndịa. Myiri: mmekọrịta agwa n'akụkọ ifo na iduuazị na-enye aka na nhazi akụkọ, agwa ha abụọ na-egosipụtakarị ihe na-eme n'ụwa na ọnọdụ dị iche iche nakwa na agwa ha abụọ na-ebute ngawanye akụkọ. Nchịkọta ndịiche ha bụ na ebe agwa akụkọ ifo na-enwekarị akparmagwa larịị, agwa iduuazị adighị otu ahụ. Akparamgwa iduuazị ọbụrụgodu na ha na-aza otu aha, anaghị abụ otu dịka ọ dị n'akụkọ ifo. N'ime ka ụfọdụ ihe ndịa doo ụmụakwụkwọ anya karia, a tụnyekwara aro na ọ bụrụ na gọọmentị kwado agụmagụ Igbo na ụlọakwụkwọ, ọ ga-akwalite mmasị ụmụakwụkwọ ịgụ agụmagụ Igbo.

Ọkpụrụkpụ okwu: Agwa, akparamagwa, akụkọ ifo na iduuazị

Abstract

This study compares and contrasts some characters and their characterization in some selected folktales and prose texts. Most literature students have the impression that the only major difference between oral literature and written literature is the mode of expression. Therefore this study is set to examine the differences and similarities between some characters and their characterization in selected folktales and prose texts. The data for analysis were gotten from selected folk tales and prose texts. The analytical theory is social constructivism theory. The findings of the study show some of the following as similarities: the folktale characters and

characterization help in the development of plot, they both mirrow happenings in the society and they ensure continuity in plotting. The summary of the differences is that while folktale characters are sterotyped and flat characters, prose characters are usually unpredictable and round characters. For a clearer understanding of these details, the study suggests that the study of Igbo language and literature be made compulsory in schools.
Key words: Character, characterization, folktale and prose

1 Ntọala nchọcha

Mkpụrụokwu a bụ agụmagụ sitere n' okwu Latin bụ *literae* nke pụtara ihe ọbụla e dere ede. Nke a pụtara na naanị ihe tozuru ịbụ agụmagụ bụ ihe e dere ede. Ya bụ na ihe ọbụla e ji mkpịsị odee dee n' akwụkwọ bụ agụmagụ. E nwekwara ike ịkọwa agụmagụ dịka ọrụ nka nke sitere n' ekere uche mmadụ Agụmagụ dịka ihe sitere n' ekere uche na-egosipụta ndụ na obibi mmadụ ma na-akụzikwa ọtụtụ ihe dị iche iche. E nwekwara ike ịhụta agụmagụ dịka usoro ndekọ, nchekwa na ibufe ihe ọmụmụ na ntụrụndụ site n'aka fere n'aka.. Agụmagụ na-agbanwe site n' otu obodo ruo na ọzọ. Ọ dịkwa mkpa ịmata n' ọ bụghị naanị ihe edere ede ka e nwere ike ịkpọ agụmagụ. Ya bụ na agụmagụ nwekwara ike ịbụ ihe a gụrụ n' ọnụ. N'ihi nke a, e nwere ụdị agụmagụ abụọ nke bụ agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede.Dịka aha ha si dị, agụmagụ ọnụ bụ nke si n'aka fere n'aka site n'ọnụ ebe agụmagụ ederede bụ nke e deturu n'akwụkwọ.

E kewakwaziri agụmagụ ederede ụzọ abụọ bụ agụmagụ nkụzi na agụmagụ nnyemike. Agụmagụ nkụzi bụ ụdị agụmagụ ederede nke na-akụzi ihe mmadụ amabughị dịka ihe a na-akụzi n' ụlọ akwụkwọ. N' ụdị agụmagụ a, odee na-ekwu ihe ka ọ dị na-ewebataghị ihe sitere echiche ya, mmasị ya maọbụ were ọrụ nka dee ya ebe agụmagụ nnyemike bụ agụmagụ na-akụzi ihe dị iche iche mana akpalite mmụọ ọgụụ. N' agụmagụ a, odee na-ewere ihe na-eme n' ụwa sebata n' akụkọ ya. Ọ na-eji ọrụ nka na ihe sitere n' ekere uche ya were dee ya. Odee nwekwara ike ikwu eziokwu maọbụ ihe na-abụghị eziokwu na ya. N' agụmagụ ọnụ, a maghị mgbe o bidoro, ebe o bidoro maọbụ onye mbụ kọrọ ya nke a pụtara n' onye maara agụmagụ ahụ nwụọ, agụmagụ ahụ a nwụọ. A na- enwe ọtụtụ mgbanye na ya ma a na-akọ ya n'ihi na mgbanwe ya na-esite n' otu onye na-akọ akụkọ siri tinye maọbụ wepụ n' akụkọ ọ na-akọ. Ọ na-esi n' aka fere n' aka. Agụmagụ ederede bụ nke e dere n' akwụkwọ. A maara onye dere ya, oge e dere ya na oge e bipụtara ya. Ọ naghị agbanwe agbanwe n'ihi na-edere ya ede ma onye dere ya chọọ ịgbanwe ya, ọ nwere ike ịgbanwe ya site na mbigharị ọhụrụ.

Agụmagụ nnyemike abụghị naanị echiche nkịtị na-enweghị isi kama ọ bụ echiche miri emi mmadụ chepụtara n' uche ya (Nwadike, 2004). Nchọcha a na-agbada ụkwụ n' ụdị agụmagụ abụọ a. Agụmagụ nke ederede ma nke ọnụ nwere ngalaba atọ gbara ọkpụrụkpụ, ha bụ: akụkọ, abụ na ejije. Ebe mgbakwasị ụkwụ nchọcha a kpọmkwem bụ bụ n' akụkọ ifo na iduaazị nke sitere na ngalaba akụkọ. A bịa n' agụmagụ, agwa na akparamagwa ka odee ji ezipụta ihe dị iche iche o bu n' uche ma meekwa ka agụmagụ o dere nwee isi ma nwee nghọta. Akụkọ na-enwe agwa na akparamagwa. Agwa na akparamagwa dịka aka nri na aka ekpe. Agwa bụ ihe maọbụ onye a kpọrọ aha n' akwụkwọ, ebe akparamagwa bụ ụzọ agwa ahụ sịrị zipụta echiche ya. Odee na-ezipụta akparamagwa site n' agwa n' ọrụ ya. E nwere ụdị agwa dị iche iche n' akụkọ. Agwa ndị a gụnyere: agwa lariị, agwa ndagharị, agwa agwa ogbi dgz. Agwa ndagharị bụ udị agwa nke na-agbanwe ma akụkọ na-aga n' ihu. Agwa ndagharị nwere ike ịbụ agwa nta maọbụ nke ukwuu. Ọgụụ enweghị ike ima ihe agwa ahụ ga-eme n' ọdịnihu

ebe agwa larịị bụ agwa nke anaghị agbanwe agbanwe n' agụmagụ. Ọgụụ nwere ike ịma ihe agwa a ga-eme n' ọdịnihu. Agwa larịị anaghị enwe ọtụtụ emereme n' akụkọ.Agwa ogbi bụ ụdị na-eso otu ụzọ. Kirszner na Mandell, (2007) kọwara n' ụdị agwa a bụ àgwà nke na-adịghị enwe mgbanwe n' ike onwe ya maọbụ omume ya n' akụkọ. Agwa ogbi anaghị egosipụta ka ihe dị na gburugburu ya si emetụta ya n' ahụ.

Nwadike (1992:84) kọwara akparamagwa dịka nzipụta agwa, ya bụ, mmadụ ime ihe ọ jiri bụrụ mmadụ na ihe e jiri mara ya. Nke a pụtara na omume na mmegharị ahụ ka odee si ewepụta akparamagwa dị n' agụmagụ ya.

Ọtụtụ ndị mmadu na-eche na naanị ihe dị iche n' etiti agụmagụ derede na agụmagụ ọnụ bụ etu e si zipụta ha. Na nchọcha a, a chọrọ izipụta na e nwere ndiiche n'agwa na akparamagwa agụmagụ ọnụ na nke ederede. E nwere ọtụtụ akụkọ ifo na iduaazi metụtara nchọcha a. Onye nchọcha a naghị ele anya n' akụkọ ifo niile na n' iduaazi niile kama ọ bụ ndị ọ họrọla ga-enye aka ịza ajụjụ nchọcha ka ọ ga-agbadoụkwụ wee mee nchọpụta. Akụkọ ifo ndị a ga-agbado ụkwụ na ha bụ akụkọ *Mbe na Enyi* nke G. I Nwaozuzu nke gụnyere: Ezi na Mbe, Agụ na Ebuleakọ, Njem Ewu na Ebuleakọ na akọrọ n'ọnụ nke si n'aka Nwaego Okereke bụ etu Agụ siri gwupụta mmiri n'ala kpọrọ nkụ na Agụ na Agụiyi ebe iduaazị ndị a ga-agbado ụkwụ na ha bụ *Ọ dị ụkọ na mba* nke C. N Okebalama,*Adaeze* nke I. U. Nwadike na *Onye chi ya akwatughi*nke C. E. Ofomata. Akụkọ ifo ndị e ji mee nchọcha a si n'akwụkwọ *Mbe na Enyi (Igbo Folktales)* nke G. I Nwaozuzu na nke akọrakọ. Ha dị isii n'ọnụ ọgụgụ.

2 .0 Ntulegharị agụmagụ

2.1 Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu dị na nchọcha

2.1. 1 Agwa

Okebalama (2003) kọwara agwa dịka ihe na-enwe aha e ji agwa ha mara. Ọmụmaatụ: ọ bụrụ na-akpọọ ebuleakọ, ihe ga-agbata onye ọbụla n' uche bụ amamihe. Otu a ka ọ dịkwa n' ebe anụmanụ ndị ọzọ dị.

Ikeokwu (2004) kọwara agwa dịka onye maọbụ ndị nọ n' agụmagụ. Ọ bụ àgwà ndị a kpachara anya maọbụ akpachaghị anya webata n' ederede ọ bụ mmadụ ọ bụghị mmadụ ma nwee akọ na uche dịka mmadụ.

Nwadike (1992) kọwara agwa dịka ụzọ odee si ezipụta akparamagwa onye ọbụla site n' ihe onye ahụ kwuru, ihe ndị o mere na ihe ndị ya na ha nọ n' elu obom kwuru gbasara ya. Ọ rụtụkwara na-agwa bụ ndị nọ n' akụkọ, ha nwekwara akọnauhe dịka mmadụ.

Site na nkọwa ya, o mere ka anyị mata na ọ bụ agwa na-emepụta akparamagwa. Nke a pụtara n' akparamagwa dị n' agwa. Ọ kewaputara ụzọ abụọ dị obosara dị mkpa e ji egosipụta agwa.

i. Site na nkọwa ya: a na-egosipụta agwa site n' ọdịdị, echiche na akparamgwa ya.
ii. Site na ngosipụta/emereme: odee na-ahapụ agwa ka ọ kọwaa onwe ya site n' omume ya. Ọ na-esitekwa n' ọnụ ndị ọzọ gosipụta ihe ha bụ.
Nwadike gakwara n' ihu zipụta ụzọ dị iche iche e si akọwa agwa: (i). Site n' ihe agwa na-eme

(ii). Site n' ihe agwa na-ekwu (iii.) Site n' echiche agwa (iv). Site n' ọdịdị agwa (v.) Site n' aha a bara agwa (vi). Site n' ihe agwa ndị ọzọ na-ekwu banyere ya. (vii). Site n' ihe odee na-ekwu banyere ya.

Ọ kewara agwa ụzọ atọ. Nke a gụnyere: agwa oké mpụta ihe (very active character), agwa mpụta ihe (active character), agwa ndakpu (passive character). Nkewa a hiwere isi n' ọnọdụ agwa n' akụkọ.

Ikeokwu (2008) kewakwara agwa ụzọ atọ. Ọ kwudosiri ike n' ebumnobi agwa n' akụkọ. Ha gụnyere: agwa ọchịchọ nke onwe (idealistic character), agwa ọchịchọ nke ọhaneze (realistic character), agwa ọchịchọ nke onwe na ọhaneze (centrist character).

2.1.2 Akparamagwa

Akparamagwa bụ etu agwa si mee omume n' akụkọ. A na-ezipụta akparamgwa site n' agwa. A na-esikwa na ya egosi etu ndị si ebi ndụ na etu ha si ahụta ụwa.
Nwadike (1992) kọwara na agwa bụ mmadụ ime ihe ọ jiri bụrụ mmadụ na ihe e ji mara ya.
Ikeokwu na Onyejekwe (2004) kwuru na a ga-ebu ihe anọ n' iche ma a na-emepụta akparamagwa. Ihe ndị a bụ:
i. Agwa na-ezipụta omume anụ ahụ na ọbara (ii). Agwa kwụsịrị ike (iii). Agwa dị mma na (iv). Agwa ga-akọwanwu onwe ya

2.1.3 Akụkọ ifo

Akụkọ ifo so n'agụmagụ ọnụ ndị Igbo. Ndị Igbo jidesiri akụkọ ifo ike dịka ha jisiri ilu ha ike. Ha na-achọ ụzọ chekwaa akụkọ ifo ma dewe ya ndụ. A na-ede ụfọdụ ede ebe a na-etinye ụfọdụ na katuun ka ụmụaka kirie n' ihe onyonyo. A maghị etu akụkụ ifo si bido maọbụ onye mbụ kọrọ ya ma ọ na-esi n'aka fere n' aka. Emery (2012:10) na-akọwa n' akụkọ ifo bụ akụkọ ọdịnala dịka nkọmịrịkọ, nkọmịrịkọna ndị ọzọ. Akụkọ ifo na-ejupụta n'amamihe. A na-akọkarị akụkọ ifo n'abalị n'ama obodo maọbụ ebe onye ọkọ akụkọ chere na ọ ka mma maka ndị na-ege akụkọ. Ndị okenye bụ ndị na-akọkarị akụkọ ifo ebe ndị na-ege akụkọ ifo na-abụkarị ụmụaka. Ihedigbo, Ihedigbo na Abalogu(2023) kọwara na ọ bụ n'ihi na akụkọ ifo juputara n'ihe nkuzi mere ndị Igbo ji akụkọ ifo akụziri ụmụaka ọtụtụ ihe gbasara omenala, nkwenye na ọdịnala Igbo.

Ogbalu (2011:56) sị na akụkọ ifo bụ ụdị akụkọ a na-ekwu n'ọnụ, nke jupụtara n'omume nkuzi. Akụkọ ifo bụ nkwenye ọdịnala, omenala maọbụ akụkọ nke otu ndị e nyefere site n'otù ọgbọ rue ọgbọ ọzọ site n'ọnụ. .

2.1.4 Iduaazị

Iduaazị bụ akụkọ nkịtị e dere ede nke a haziri na nkeji na nkeji. Ọ bụ ọrụ nkà nke e ji asụsụ a họrọ ahọ dee. Ọ na-eńomi okwu nkịtị mmadụ na-ekwu. Ọ nweghị ndanusoro. Agwa na-apụtakarị ihe na ya bụ àgwà mmadụ. Iduaazị na-enwe agwa, ntọala (ntọebe na ntọoge), nhazi akụkọ, isiokwu, ndịnaisiokwu, olu, asụsụ nkà dgz. Emenanjọ (1982) kewara iduaazị ọlọrọọhụrụ Igbo dịka ọrụ nkà n'ụzọ atọ: site n'ogo ya, site na ndịna ya na site na emermeme ya. Nkewa a na-enyere aka ịmata ebe iduaazị Igbo ọbụla dabanyere na ya. Akwụkwọ nlere anya anyị bụcha ọmụma atụ iduuazị. Ihe ọzọ e jiri mara iduuazị bụ asụsụ nka. Ihedigbo,

Ihedigbo na Ossai(2023) kọwara na agụmagụ nyemike niile nke iduuazị bụ otu n'ime ya na-ejuputa n'asụsụ nka.

2.2 Nnyocha atụtụ ndị metụtara isiokwu

2.2.1. Atụtụ mbunuche.

Ọ bụ Sigmund Freud na ndị otu ya tụpụtara atụtụ a na ngwụcha 19th senchuri n' afọ 1856. Ọ kọwara na atụtụ a bụ ngwa ọrụ nka dị mkpa na-akọwa ihe odee chọrọ izipụta na-amaghị ama. Ọ gakwara n' ihu kọwaa n' uche mmadụ nwere mpaghara atọ. N' ịgbado ụkwụ na nchọpụta ya nke mbụ ọ mere gbasara nrọ, mkpaọchị, njakịrị, ịda mba n' obi, nsogbu nke uche, mgbakasị mmetụta nke uche nke ndị ọ kpọrọ ọmụmụ nke uche. E zipụtara atụtụ mbunuche a dịka nkọwapụta nrọ na mbụ. E kwenyere n' atụtụ a sitere na ihe ọmụmụ ọ mere gbasara nrọ.

Atụtụ a na-akọwa ka ọchịchọ, echiche na nsirihụ ndị odee si emepụta ihe odide ha. Nke a pụtara na odee na-ede edemede ya site na nhụrụụwa ya na ihe ndị megoro na ndụ na gburugburu ya. N' echiche atụtụ a, akparamagwa agwa n' iduaazi na akụkọ ifo nwere ike ịbụ ụzọ mgbasa ozi nke odee ji ezipụta mmetụta na echiche ya. Ha kọwakwara na-iji atụtụ a mụọ akparamagwa na-abụ ihe akaebe bara uru na nghọta akparamagwa mmadụ na nsogbu mmekọrịta ọha na eze. Atụtụ a bara uru nye isiokwu anyị n'ihi na ọ na-atọ ntọala maka ịghọta ihe ndị na-akpalite mmụọ, ọchịchọ na ndokorita na-emebe akparamagwa agwa.

2.2.2 Atụtụ nzaghachi ọgụụ.

Norman Holland, Stanley Fish, Roland Barthes, Wolfgang Iser, Hans-Robert Jauss, David Bleich na ọtụtụ ndị ọzọ wepụtara atụtụ a n' agbata afọ 1960 na 1970. Ọ malitere na mba America na Germany. Atụtụ a adịghị ka atụtụ ndị ọzọ na-ele anya n' odee ma ọ bụ ndịna n' akwụkwọ agụmagụ maka ọ dabere na nghọta ọgụụ n' agụmagụ. Ọ na-arụtụ aka na nhụtara ọgụụ na nghọta ya na ntapịa agụmagụ. Ọ na-ahụta ọgụụ dịka ihe bara oke uru nye ọrụ nka. Atụtụ a anabataghị n' ọgụụ dị iche iche na-enwe otu echiche nye agụmagụ ha gụrụ. O kwenyere na ọgụụ ọbụla ga-enwe ụzọ dị iche iche ha si ghọta ma tapịa site na nghọta ha dị iche iche. Nke a pụtara na ọgụụ dị iche iche gụọ otu agụmagụ, ha ga-enwe nghọta, echiche, mmetụta mmụọ na nzaghachi dị iche iche gbasara agụmagụ ahụ. Akwụkwọ nka na-enye ndị mmadụ ohere ime nnyocha ma zipụta echiche dị iche iche site na-iji atụtụ a.

Rosenblatt (1994) kwuru na nghọta ọgụụ dị ka nke nwere ntọala n' agbata atụtụ nnyocha ọhụrụ na atụtu ọdịdị mana ihe dị iche bụ na atụtụ nnyocha ọhụrụ na nke ọdịdị kwenyesiri ike n'akwụkwọ agụmagụ na ndịna ya ebe atụtụ nzaghachi ọgụụ hiwere isi na ọgụụ na ụzọ dị iche iche o si akọwapụta agụmagụ. E nwere atụtụ nzaghachi ọgụụ dị iche iche dị ka 'atụtụ nzaghachi nke nchọpụta' na 'atụtụ nzaghachi nke zuru mba ma ha niile kwenyere na nhụtara na mpụtara agụmagụ ọgụụ dị n' iche n' iche.

Atụtu nzaghachi nke nchọpụta na-atụle nghọta na nzaghachi ọgụụ nye agụmagụ ebe atụtụ nzaghachi nke zuru mba na-atụle nhụrụnụche, nghọta na nzaghachi ọgụụ ndị nọ ebe dị iche iche nye agụmagụ.

Etu atụmatụ a sị mmetụta nchọcha anyị bụ na ọ na-enyocha etu ọgụụ si hụ, tapịa ma zaghachi agụmagụ. Ọ na-achọpụta ka ọgụụ si ghọta ndịna isiokwu, akparamagwa na emereme dị n'agụmagụ.

2.2.3 Atụtụ ntụcha onwe

William Swann tụpụtara atụtụ a n' afọ 1981. Ọ gbadoro ụkwụ n' ngalaba Saịkọlọji. Atụtụ a na-arụtụ aka na mmadụ na-achọ ka a na-aghọta echiche, nhụrụụwa, na nkwenye ha oge ọbula ha hụtara onwe ha n'etiti ha na ndị ọzọ. Ọ gosiri na omume dị otu a na-enyere mmadụ aka ịhụ etu ndị ọzọ si ahụta ya.

Kwang na Swann (2010) kọwara na echiche ọchịchọ onwe a na-apụta ihe na ndụ onye ọbụla. Ha gakwara n' ihu kọwaa na onye ọbụla na-achọ ka e kwenye n' echiche ya ma ọ dị ma ma ọ dighị mma. Swann, Wenzlaff na Tafarodi (1992) gosipụtara na e nwere ndị chọrọ ka ahụta ha mana ha enyechaghị ihe a na-atụ anya n' aka ha. Nke a nwere ike ime ka onye dị otú ahụ nọdụ n' ọnọdụ ikpa oke. Pelham (2002) kwadoro echiche Swann na ndị otu ya sị, ọ bụrụ na-ahụtaghị ụfọdụ ihe mmadụ na-eme na gburugburu ya, onye ahụ nwere ike itulegharị onwe ya mara ma nsogbu ọ si ya n' aka ma ọ bụ na o nwere ihe na-egbochi ndị mmadụ ihụta ya. Nke a ga-eme ka onye ahụ nyochaa ma katọọ mmetụta, echiche na onwe ya.

2.3 Ihe ndị e merela banyere isiokwu

E meela ọtụtụ nchọcha banyere isiokwu yiwere nke anyị ji n'aka ugbu a

Ogbalu (2011) n' ihe ọmụmụ ya gosipụtara na akụkọ ifo Igbo na-egosipụta ihe omume ndị Igbo. Ọ kwuru na ihe ndị a kpọrọ aha n' akụkọ ifo bụ ihe ndị dị n' ụwa, agwa akụkọ ifo bụ agwa dị n'ụwa a, ndụkọrịta e nwere na akụkọ ifo bụ nke na-eme n' ụwa, aṅụrị akụkọ ifo bụ nke dị n' ụwa. Akụkọ ifo na-ezipụta omenaala ndị Igbo, nkwenye ha, ndụ ha, ọchịchị ha, nhụrụwa ha na mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha. Myiri dị n' etiti nchọcha Ogbalu na nke anyị bụ na ha na-enyocha agwa na akparamagwa n'akụkọ ifo. Ndịiche dị na-etiti nchọcha abụọ a bụ na nke Ogbalụ gbadoro ụkwụ na-ịkọwa ihe ndị dị n'akụkọ, ọdịdị, nchekwa akụkọ a ma kowapụtakwa ụfọdụ ndokọrịta a na-enwe na ka e si ekpezi ndokọrịta a ebe nke anyị na-atulekọrita agwa na akparamagwa dị n'akụkọ ifo ụfọdụ na iduaazị ụfọdụ.

Amali (2014) mekwara ihe nchọcha gbasara ihe pụtara n' ọrụ na ịrụ ọrụ n' akụkọ ifo Idoma. Ọrụ ya na-enyocha ọrụ dị n’ akụkọ ifo dị iche iche n' ala Idoma. Nchọpụta ya gosiri na ndị Idoma na-eji akụkọ ifọ akụzi ụmaka mkpa ọrụ dị n’ụwa taa.Myiri dị n' etiti nchọcha Amali na nke anyị bụ na ha abụọ gbadoro ụkwụ n' akụkọ ifo. Ha na-ezipụta ụkpụrụ, nkwenye, obibi ndụ na omenala mba Afrịka nakwa mkpa ọ dị ịzụlite nwata n' ụkpụrụ ala Afrịka. Ndị iche dị n' etiti ọrụ abụọ a bụ na Amali mere nchọcha ya n' akụkọ ifo ala Idomah ebe nke anyị bụ n' ala Igbo. Anyị tulekọrịtara agwa na akparamagwa dị n' akụkọ ifo mana Amali emeghị ntulekọrịta agwa na akparamagwa n' nchọcha ya.

Ugwuoke (2018) na nchọcha ya *'Igbo Pacification Foltakes'* mere nchọcha etu ndị Igbo si eji akụkọ ifo na ụkpụrụ ya akwalite udo na ịhụnanya ma na ekpezi ndụkọrịta n'akụkọ ifo. Ebumnuche nchoọcha bụ inyocha ndokọrịta e nwere n'akụkọ ifo na etu e akwalite udo site na-ikpezi ndokọrịta ndị a.Ọ chọpụtara ne a na-eji akụkọ ifo ekpezi esemokwu n’oge ugbu aMyiri dị n' etiti ọrụ anyị na nke Ugwuoke Priscilla bụ na ha abụọ gbadoro n' akụkọ ifo. Ha abụọ hiwekwara isi n' ala Igbo nakwa ihe ụkpụrụ omenaala akụkọ ifo na-akụziri anyị. Ndịiche dị n' etiti ọrụ abụọ a bụ na nchọcha ya na-ezipụta etu esi e ji akụkọ ifo ekpezi ike, weta ịhụnanya ma nkwalite udo n' ala Igbo ebe ọrụ anyị na-atulọrịta agwa na akparamagwa n'akụkọ ifo.

Ihedigbo, Ihedigbo na Egbo(2024) mere nchọcha n'ilu ndị Chinua Achebe jiri dee akwụkwọ iduuazị *No Longer at Ease.* Mbunuche ha kpọmkwem bụ ịchọpụta etu ilu ndị Chinua Achebe jiri dee akwụkwọ ya siri daba n'ebe e dere ha. Ha si n'akwụkwọ *No Longer at Ease* nweta njiatụle ma were atụtụ Pragmatiksi tụchaa njiatụle. Nchọpụta ha gosiri na Chinua Achebe ji ilu iri atọ na anọ wee dee akwụkwọ ahụ. Ha chọpụtakwara na ilu ndị ahụ dabara adaba n'ọnọdụ e ji ha dee edemede n'akwụkwọ ahụ ma chọpụtakwa na mpụtara ilu ndi ahụ n'ọnọdụ ndị ọzọ na abụghị n'ọnọdụ eji ha rụọ ọrụ n'akwụkwọ adịchaghị iche na mpụtara ha. Myiri dị n'ọrụ ha na ọrụ nke e ji n'aka bụ na ha abụọ nyochara iduuazị mana ndịiche dị na ha abụọ bụ na ebe Ihedigbo(2023) na ndị otu ya lebara anya n'iduuazị *No Longer at Ease* na ilu dị na ya nchọcha nke a na-eleba anya n' agwa na akparamagwa dị n'ụfọdụ akụkọ ifo nakwa ụfọdụ iduuazị.

2. 5 Atụtụ Ntụcha data

Nchọcha a na-agbado ụkwụ n' atụtụ Mmekọrịta mmadụ na gburugburu ya. Lev Vygotsky na ndị otu ya wepụtara atụtụ a n' mbido 20th senturi. Atụtụ a bụ nke na-akọwa etu omenala, ọnọdụ na gburugburu mmadụ si emetụta nhụrụụwa, nghọta na ntapịa agụmagụ ya. Atụtụ a na-akọwa na ọgụụ na-enwe nghọta agụmagụ site na echiche ya nakwa mmekọrịta ya na mmadụ ibe ya. Ọ kweteghị na nghọta dị larịị kama nghọta agụmagụ na-esi na ebe o siri puo. Nke a pụtara na ọ bụrụ na mmadụ dị iche iche anọrọ ebe dị iche iche gụọ otu akwụkwọ, ha ga-enwe nghọta na-abụghị otu n' ihi gburugburu ha na nkwenye ha. Atụtụ a na- akọwa na ọgụụ ga-ahụta agwa na akparamagwa agwa kpara n' ụzọ dị iche iche n'ihi nkwenye ya banyere agwa ahụ. N'anya otú a, ọgụụ, akparamagwa agwa nwere ike ịbụ akparamagwa ziri ezi ebe ọgụụ ọzọ nwere ike ịhuta akparamagwa ahụ ka ajọ akparamagwa. Nke a pụtara na gburugburu na mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-enye aka n' ebe ọ dị ukwuu ịhazi na iduzi nghọta, echiche na nhụrụụwa ọgụụ.

4.5 Ntulekọrịta agwa na akparamagwa akụkọ ifo na Iduaazị

Akụkọ ifo na akụkọ iduuazị ndị a gbadoro ụkwụ na ha mee nchọcha a dị na mgbakwunye dị na ngwụcha nchọcha a.

4.5.1 Myiri dị n'etiti agwa akụkọ ifo na nke iduaazị

i) Agwa ha abụọ na-ebute ngawanye nhazi akụkọ. Ọ bụrụ na agwa anọghị n'akụkọ, akụkọ agaghị aga n'ihu.
ii) Ha na-akpali mmụọ nye ndị ngere maọbụ ndị ọgụụ. Ọ bụ ha na-egosipụta emereme dị iche iche na-akpali mmụọ ndị ọgụụ dịka obi aṅụrị, mkpa ọchị, akwa arịrị, mwute, iwe dgz.
iii) Agwa akụkụ ifo na nke Iduaazị na-enye aka ezipụta omenala na nkwenye ndị nwe ha.
iv) Mmekọrịta agwa n'akụkọ ifo na iduaazị na-enye aka na nhazi akụkọ.
v) Agwa ha abụọ na-egosipụtakarị ihe na-eme n'ụwa na ọnọdụ dị iche iche.
vi) Agwa akụkọ na nke Iduaazị na-esite na emereme ha ezipụta nhụrụụwa.

4.5.2 Ndịiche dị n'etiti agwa akụkọ ifo na nke iduuazị

Agwa Akụkọ ifo	Agwa Iduuazị
Agwa ha na-abụkarị agwa larịị. Ha anaghị agbanwekarị n'akụkọ	Agwa n'iduuazị nwere ike ịbụ agwa ndagharị maọbụ agwa larịị

Ha na-enwekarị njirimara site na omume ha na mkpariṭa ụka. E nwekwara ike ịkọwa ha site n'ọdịdị ahụ ha, ogo ha, mmekọrịta ha na àgwà ibe ha maọbụ ọrụ ha	Akparamagwa ha na-adị na ngwugwu, gwakọta agwakọta, dị omimi ma na-emegide onwe ha oge ụfọdụ. He na-enwe olu, mmetụta mmụọ na echiche nke ha nke na-eme ka ha kwụpụta dị iche na ndị ọzọ
Agwa ha na-enwekarị ike pụrụ iche dịka ime anwansi. Ha na-anọkarị n'ụwa nrọ	Ha na-anọ n'ụwa mmadụ nkịtị ebe ha na-anọkarị n'ọnọdụ obiọma maọbụ ọnọdụ siri ike ha na-agabiga dịka mkpagbu, ndụkọrita na mmetụta ime mmụọ nke ndị ọgụụ ga-aghọta dịka mmadụ
Agwa akụkọ ifo na-enwekarị otu ihe mbunobi ọ chọrọ ịzọpụta n'akụkọ	Agwa Iduaazị nwere ike inwe otu ihe ebumnuche maọbụ karịa ọ na-akụzi n'akụkọ
Ha na-agbadokarị ụkwụ n'ihe ọkpụ	Ha na-agbadokarị ụkwụ n'ihe na-eme n'ụwa
Agwa akụkọ ifo na-akụzikarị ezi omume	Agwa Iduaazị na-akụzi ma ezi omume ma ajọ omume

Nchọpụta Na Nchịkọta

5.1 Nchọpụta

Ọchọcha lebara anya n'akparamagwa agwa dị n'akụkọ ifo na iduaazị ndị a họọrọ e ji eme nchọcha. Abịa n'agụmagụ *Ọ dị ụkọ na mba*, Adaakụ bụ àgwà ndagharị n'ihi na ọ gbanwere ma chegharịa na ngwụcha akụkọ. N'agụmagụ *Onye chi ya akwatughị*, Adamma bụ àgwà lariị n'ihi na ọ kpagidere agwa ọjọọ site na mbido ruo na mmechi. N'agụmagụ *Adaeze*, Adaeze bụ àgwà lariị n'ihi na ọ megidere ezi omume bido n'isi akụkọ ruo na ngwụcha. Ọ bụ ezie na aha agwa ndị a bụcha Ada na mkpọbiei ma ha ezipụtaghị otu akparamagwa. N'iduaazị agwa nwere ike ịza otu aha mana ha niile agaghị akpa otu agwa n'akụkọ.

N'akụkọ ifo metụtara Mbe, Mbe bụ àgwà lariị nke bụ onye aghụghọ n'ihi na ọ gbanweghị site na mbido akụkọ niile ọ bụ agwa ruo na ngwụcha akụkọ. N'akụkụ ifo metụtara Agụ, Agụ bụ àgwà lariị anụ siri ike n'ihi na ọ gbanweghị site na mbido akụkọ niile ọ pụtara ruo na ngwụcha. N'akụkọ ifo metụtara Ebuleakọ, Ebuleakọ bụ àgwà lariị, anụ maara ihe nke ukwuu n'ihi na ọ gbanweghị bido n'isi akụkọ niile ọ pụtara ruo na ngwụcha.

5.2 Nchịkọta

Na nchịkọta, ọchọcha tulekọrịtara agwa na akparamagwa dị n'akụkọ ifo na iduaazị ndị a họọrọ e ji eme nchọcha.

Nchọcha a chịkọtara akụkọ ifo na Iduaazị ndị a họọrọ e ji eme nchọcha ma debilata ha. Ọ chọpụtara agwa na akparamagwa dị n'akụkọ ifo na iduaazị ndị o ji eme ntule ma tulekọrịta ha. Ọ mere ka a ghọta na ọ bụghị naanị na nzipụta ka agụmagụ ederede na agụmagụ ọnụ si dị iche. Ọ gara n'ihu zipụta na e nwere ndịiche n'agwa na akparamagwa agụmagụ ọnụ na nke ederede. Ya bụ, a bịa n'agụmagụ ọnụ ịmaatụ akụkọ ifo, akparamagwa ha pụrụ iche nye ha mana ọ dịghị otu a n'agụmagụ ederede

Nrụmaka

Emenanjo, E.N.(1982). What is creative literature? The case of Igbo *Journal of SPILC*

Emery. D. (2012).Folktales:Transactions of the folk-lore society. Retrieved from www.bonlegends.about.com on 10th April,2020.

Ihedigbo, Ihedigbo & Egbo(2024). A pragmatics analysis of proverbs in Chinua Achebe's *No Longer at Ease*. *African Scholars Multidisciplinary Journal(ASMJ).* Vol 7 348-358

Ihedigbo, Ihedigbo & Abalogu(2023). Effects of Transmogrification in Selected Folktales. *Icheke Journal of Faculty of Humanities.* Vol 21(4) www.ichekejournal.com 1-21

Ihedigbo, Ihedigbo & Nwachukwu (2023). Stylistic Analysis of Egara Nwa Ada Nsukka *Icheke Journal of Faculty of Humanities.* Vol 20(2)www.ichekejournal.com 407-424

Ikeokwu, E. S. & Onyejekwe, M. C. (2004).*Mmalite Ọmụmụ na Nghọta Ejije Igbo Ọdịnaala na Ọlọrọọhụụ.* Enugu:CIDJAP Press.

Ikeokwu, E.S. (2008). Self-construct and characterization: A focus on A. B Chukwuezi's plays. *Nsukka Journal of Humanities*, 17,163-170.

Kirszner, L. G., & Mandell, S. R. (2007). *Literature: Reading, reacting, writing (7th ed.).* Wadsworth Publishing.

Kwang, T. & Swann, W. B., Jr. (2010). Do people embrace praise even when they feel unworthy? a review of critical tests of self-enhancement versus self-verification. *Personality and Social Psychology Review,* 14(3), 263-280.

Nwadike, I. U (1998). *Adaeze.* Anambra: Pacific Publishers

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ.* Onitsha:Nigeria Educational Publishers.

Nwadike, I. U. (1995).J.U.T. Nzeako as an Igbo novelist. Ph.D Thesis, University of Port Harcourt, Port Harcourt.

Nwaozuzu, G. I. (2020). *Mbe na Enyi (Igbo folktales).* Nsukka: Pinnacle Printing Press.

Ofomata. C. E. (2000). Onye chi ya awaktughi. Enugu: Format Publishers.

Ogbalu, U.J. (2011). 'Appreciating of Igbo Foltakes and Songs versus Realism. In Unizik *Journal of Arts and Humanity.* vol. 12. 1 pp. 55-75

Okebalama, C. N. (2003). *Ọ dị Ụkọ Na Mba.* Enugu: Magnet Business Enterprises Publishers.

Okebalama, C. N. (2003).*Mkpọlite agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press.

Pelham, B. W. (2002). Self-verification theory and the role of self-concept in social perception. *Journal of Personality and Social Psychology,* 83(3), 641-655.

Rosenblatt,L. M. (1994).The reader, the text, the poem*: The transactional theory of the literary work.* Illinois: Southern Illinois University Press.

Sigmund,F.(2010). Psyhoanalytic theory. Available in http://en.wikipedea.org/wiki/psychoanalytic theory. Accessed 5/3/2017.

Swann, W. B., Jr., Wenzlaff, L. G., & Tafarodi, R. W. (1992). Identity negotiation: Where do we go from here? *Journal of Personality and Social Psychology,* 63(6), 1032-1043.

Ugwuoke, P.E(2018). *Igbo Pacification Folktales.* Arụmarụ Ph.D.Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijiria Ndị Ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka.

MGBAKWỤNYE

Nchịkọta akụkọ ifo na iduuazị e jiri mee nchọcha.

Akụkọ ifo mbụ: Otu Mbe si bụrụ eze ụmụanụmmanụ

Ụmụ anụmanụ nọrọ afọ iri na-enweghị eze. Tụpụ onye ọbụla a bụrụ eze na alaeze ụmụanụmanụ, ọga-enwe ego agụta ọnụ. Mbe, otu n'ime ọgalanya n'obodo ụmụanụmanụ nwere ọtụtụ ọba ji ma nwekwaa akụnaụba ma ọ bụghị nke agụta ọnụ. Ọ kpọrọ ndị okenye na ụmụnna ya gwa ha na oọ bụ ebmnobi ya ịbụ eze. Ndị okenye chetaara ya iwu obodo maka onye chọrọ ịbụ eze ma gwakwa ya na ọ bụrụ na aụọ ego ya ma o rụghị nke agụta ọnụ na ala ya na nke ụmụnna ya ga-abụ nke ọha obodo. Ụmụnna Mbe tụrụ oke egwu ma rịọkwaa Mbe

ka o chefuo maka ịbụ eze obodo ha ma Mbe ekweghị ekwe. Ha mechara kwekọrịta na a ga-agụ ego Mbe ụbọchị Eke.
Mbe kọlitere ọkpara ya n'abalị ụbọchị nkwọ ha abụọ atụọ ọnụ n'ala site n'ime ụlọ ha ruo n'ukwu ugiri ebe a ga-agụ ego echi ya. n'ụbọchị e kwekọrịtara, Mbe gwara ndị na-agụ ego ka ha kpochido ya n'ime ụlọ. Ọ gwaraọkpara ya ka ọ na-egwupụta ego. Mbe si n'oghere ala ya na ọkpara ya gwuru na-atụba ego ka ndị na-agụ ego na atụba ego ha gụgoro n'ime ụlọ ma nwa Mbe na-egwupụta ego ahụ n'olulu ha gwuru. Ndị na-agụ ego na ndị obodo gbafusịrị ka ha gụkatara ego Mbe ma ọ kweghị ha ngụta. Ọ bụ etu a ka Mbe si bụrụ eze obodo ụmụanụmanụ.
Akọrọ n'ọnụ nke si n'aka Nwaego Okereke.

Akụkọ ifo nke abụọ: Etu Mbe siri ghọrịa Ezi
O ruru ka ụganị karịrị n'obodo ụmụanụmanụ Mbe wee zụọ ọtụtụ ihe oriri n'aka Ezi. Nanị Ezi nwere ihe oriri ebe ọ dị ukwuu n'oge agụụ ahụ. Ezi gara ụgwọ be Mbe ma Mbe rịọrịọ ka ọ nye ohe ịkwụ ụgwọ n'ihi na nne ya nwụrụ. Ezi bịakwara ụbọchị ọzọ maka ego ya ma Mbe dara n'ala kwaa ákwá rịọsie ya ike ka ọ nyekwuo ya ohere. Ezi bịara ụbọchị nke atọ ma Mbe gwara ya na ya na-arịa ọrịa ma kwe ya nkwa na ya ga-enye ya ego ya ụbọchị ka anọ ma ọ bịa, Ezi wee lawa.

Ezi bịara ụbọchị nke anọ ma nwa Mbe gwara ya na nna ya gawara ikwu nne ya ma nke bụ eziokwu bụ na Mbe gwara nwa ya ka ọ kwọwa ọka n'elu ahụ ya ka a ga-asị na Mbe bụ okeute e ji akwọ ọka. Ezi buuru igu ọka ahụ tufuo n'ime ọhịa n'iwe. Mbe sitere n'ọhịa ahụ jiri nwayọọ na-alọta ka a ga-asị na ọ bụ mgbe ahụ ka o si ikwu nne ya alota n'ezie.

Ezi na Mbe hụrụ n'ụzọ ka ọ na-alọta. Mbe gwara ya na ọ wetara ya ego ndị bịara ịlụ nwaanyị nyere ya ụbọchị gara aga. Ọ kpọrọ nwa ya gwa ya ka o butere ya igu ọka ahụ ma nwa ya gwara ya na Ezi tụfuru ya n'iwe. Mbe tiri mkpu n'oké olu, were iwe gwa Ezi ka ọ jee chọwara ya ihe ya ji akwọ ọka. Ezi baara n'ọhịa na mwute na ihere ịchọ igu ọka Mbe ma ọ hụghị ya ruo taa.

Akụkọ a si n'akwụkwọ *Mbe na Enyi (Igbo folktales)* nke G.I.Nwaozuzu. Ihu akwụkwọ nke iri asaa na abụọ na iri asaa na atọ (72-73).

Akụkọ ifo nke atọ: Otu Agụ siri gwupụta mmiri n'ala kpọrọ nkụ
0ke ọkọchị dị n'alaeze ụmụanụmanụ nke mee ha ji anwụsịsị. Osimiri ha niile tachara. Ugbo ha kọrọ a naghị epu. Ha kpọkuru Agụ, eze obodo ha ka ọ nyere ha aka.

Agụ kpọrọ ọgbakọndị ichie ugboro ugboro ịchọta ọsịsa etu ha ga-esi mezie ọnọdụ ọjọọ ha nọ n'ime ya ma ụkwa ọ pịrị mkpụrụ adighị ya. ụra abalị chukatara Agụ ọ were kpebie nay a ga-egwu ala ọkpọ nkụ ahụ mara ka ọ ga-egwupụta mmiri. Ndị ichie ya dọrọ ya aka na ntị maka mkpebi siri ike a ma gwa ya na ọ gaghị ekwe oomume maka oe nweghị onye megoro ya na mbụ ma agụ kpọchirị ntị ịme ihe ọchọrọ ime. O ziri ozi ka agwa ụmuụanụmanụ niile ka ha nwee olile anya ịnwe mmiri na oge adịghị anya.

Ụmụ anụmanụ gbakọrọ n'ụchị a kara aka iji anya ha hụka Agụ ga-esi gwupụta mmiri n'ala kpọrọ nkụ. Agụ gwukataara ala ma o gwupụtaghị mmiri. Nke a mere ka ụmụanụmanụ niile

gbasaa, lawa ma Agụ adagbị mba n'obi. Nwunye ya na ndị be ya rịọrịọ ya ka o chefuo maka igwu mmiri ma kwusị ịta onwe ya ahụhụ ka Agụ ekweghị ka onye ọbụla kutuo mmụọ ya. o gwuru ala abalị atọ ma ọ hụghị mmiri. Ọ nwere nchegharị obi ma soro nwunye ya lawa na mwute. Mmiri bidoro gbawa n'olulu ahụ Agụ gwuru n'ụbọchị nke anọ nke mere ka ụzụ tụọ n'alaeze ụmụanụmanụ niile. Ha gbara egwu ,kwee ukwe ma kelee Agụ maka ezi mbọ ọgbara ịnapụta ha n'ọnọdụ enweghị mmiri. Nke a mere ha ji tie iwu na ọ bụ naanị agbụrụ Agụ ga-abụ eze ha site n'ọgbọ ruo na ọgbọ.
Akọrọ n'ọnụ nke si n'aka Nwaego Okereke.

Akụkọ ifo nke anọ: Agụ na Agụiyi
Nne Agụiyi na nne Agụ nwere ndokọrịta na ọgbakọ ha gara. Nke a mere ka enyi dị n'etiti ụmụ ha ghọrọ ilo na asị.
Nwa Agụ dọgburu anụ out ụbọchị, nwa Agụiyi rịọ ya ma ọ gwara ya na ha abụghịzị enyị. Nwa Agụ jere zoo anụ ya n'ọhịa, gaa ịza nne ya oku. Nwa Agụiyi gara n'ọhịa ebe ahụ, taa anụ nwa Agụ zoro gbafuo. Nwa Agụ chọpụtara na nwa Agụiyi ataala anụ ya nke mere ka ọ bere akwa ga-gwa nne ya.
Agụ were iwe gawa n'ụlọ Agụiyi. N'ụlọ ọAgụiyi, nne Agụ nan ne Agụiyi bidori mawa aka onye ka si ike ka ha na-aba mba. N'ikpeazụ, nne agụ dọsara nne Agụiyi dịka ụzọ o siri gbaara nwa ya ọgụ.
Akọrọ n'ọnụ nke si n'aka Nwaego Okereke.

Akụkọ ifo nke ise: Agụ na Ebuleakọ
Agụ na Atụrụ bụ enyi. Aụ rịọirịọ Atụrụ ka ọ kpọnye out nwa yaga-ekuru ya nwa. Atụrụ kpọrọ ụmụ ya asatọ ma jụọ ha ugboro ka ihe ga-eme ha ka ha mata ihe. Ha nwere ọtụtụ asịsa ugboro ihe ga-eme ha tụpụ ha amata ihe ma naanị Ebuleakọ zara na ọ bụ naanị out ugboro ka ihe ga-eme ya ka ọ mata ihe. Nne ya họrọ ya ziga ya be Agụ.

N'ụlọ Agụ n'abalị ka ha chọrọ irahụ ụra, Agụ tere Ebuleakọ nzu ọcha n'ahụ ma were uri ojii tee nwa ya. O nyiwere nwa ya n'aka nri ma nyiwe Ebueakọ n,aka ekpe. Nke a gbara Ebuleakọ ama na nsogbu dị.

Ebuleakọ biliri ka Agụ na-arahụ ụra were uri ojii tee onwe ya, tee nwa Agụ nzu ọcha ma gbanyee ọnọdụ nne Agụ nyiwere ha. Ọ nọdụzịa n'aka nri ebe nwa Agụ nọ n'aka ekpe. O dinala ala na-agwọ ụra ka aga-asị na ọ nọ n'ụra miri emi. Ihe mbụ agụ mere ka ọ tetara ụra bụ ịdọgbụ nye dịna n'aka ekpe ya na-amaghị na ọ bụ nwa ya. Ọ kpoliter Ebuleakọ ọ chere na ọ bụ nwa ya bunye ya isi anụ ọ dọgburu. O kpebiri nay a ga-akpọta nwa Atụrụ ọzọ echi yaka ọ na-ata anụ ahụ na-achị ọchị ma Ebueakọ na-achị ya ọchị n'ime obi ya.

Ka Agụ pụrụ ịchọ nri n'isi ụtụtụ, Ebuleakọ hapụrụ ụlọ ya gbalaga be nne ya, kọọrọ ya ihe mere. Nne ya nwere ya Ngọzị pụrụ iche ma too ya otutu. Ihere ekweghị Agụ jee be Atụrụ ọzo. Ka ọ lọtara chọpụta na ọ bụ nwa ya ka ọ dọgburu.

Akụkọ a si n'akwụkwọ *Mbe na Enyi (Igbo folktales)* nke G.I.Nwaozuzu. Ihu akwụkwọ nke iri na out na iri na abụọ. (11-12).

Akụkọ ifo nke isii: Njem Ewu na Ebuleakọ
Ewu na Ebuleakọ kpebiri ka ha jee chọọ nri dị mma ha ga-eri hapụ ụlọ onye ọrụ ugbo ha nọ. Ha zutere Agụ ka ha-na aga n'ụzọ ọhịa ịchọ nri ha ga-eri. Agụ nụrịrị ma kelee chi ya na ọ hụla nri oriri. Ebuleakọ gwara ka o chere ka ọ chọrọ ịdọgbụ ha. Ọ jụru ya ka ọ maghị na-eluigwe ga-ada ụbọchị ahụ na ọ bụ isi onwe ha ka ha na-azọ. Agụ gbalagara n'ụjọ. Ha zuru nkịta ọhịa ka ha gakatara. Ebuleakọ jụkwara ya ka ọ bụ na ọ maghị na eluigwe ga-ada ụbọchị ahụ. Nkịta ọhịa tụrụ egwu wee gbalaga.

Ha ruru n'ikpere mmiri, nụjuo mmiri dị ọcha afọ ma tajuo ahịhịa ndụ afọ. Ha kpebiri ka ha rahụ n'elu osisi n'abalị ahụ. N'elu osisi, ha leturu anya n'ala hụ ka Agụ na Nkïta ọhịa na-akọ ihe mere ha ụbọchị ahụ. Agụ na Nkịta ọhịa nụrụ iyi na ha ga-adọgbụ Ebuleakọ na Ewu ma ha hụ ha ọzọ. Ka Ewu na Ebuleakọ na-enwe ntụgharị obi n'elu osisi, Ebuleakọ chetara ihe ọ ga-eme wee gwa Ewu ebumnobi ya. Ọ tụdara nwe ya ebe Agụ na nkịta ọhịa nọ wee daa n'isi Agụ. Agụ na Nkịta ọhịa tụrụ oke ụjọ maka ha chere na ọ bụ eluigwe chọrọ ịdagbu ha n'eziokwu. EbuleAdaloakọ na-ewu chịrị ha ọchị ma were ọsọ gbalaga.

***Ọ dị ụkọ na Mba*nke C.N Okebalama**
Adaakụ, nwunye Eze bụ nwaanyị wara anya. Omume ọjọọ ya bụ mmekpa ahụ nye di ya na nne ya. Ka nneya edughị ya laghachi ka ọ bịachara ọmụgọ, Adaakụ gbarịa nne ya. O kuuru nwa ya ọ mụrụ ọhụụ gbapụ be Eze. O mechara soro nwanne nne ya bụ Ekwujrụka gawa Cameroon. Ọ tụtaara Egwu ime ma Egwu gọnarịrị ya ma kparị nke ukwuu.

Adaakụ gbara Eze alụkwaghị m. Ebe ahụ ha Eze kpọọrọ ụmụ. Ada lọghachiri Cameron na mwute. Ọ lụrụ dị ọzọ aha ya bụ Okoro. Okoro bụ nwoke ahịa nwere ọtụtụ ụmụ odibo a ma ama na Cameron. Alụ di na nwunye Ada na Okoro abụghị nke dị ụtọ. Ọgụ na mgbe na-ada n'ụlọ ha kwa ụbọchị. Okoro na Adaakụ gbara ọsọ lọta Nigeria. Nke a bụ maka iwu ndị Cameroon tiri ka ha kwara ngwongwo ha laa obodo ha. Na Naijiria, Okoro hapụrụ Adaakụ ụmụ ha sooro nwunye ya nke mbụ laa.

daakụ zụwara ahịa nke mere ka ego zawa ya oku ọzọ dịka ọ dị na mbụ. O doziri esemokwu dị na etiti ya na di ya mbụ na ụmụ ya. Nke a nyere ya ohere ịzụụrụ ha ụfọdụ ihe ga ji alaghachi ụlọ akwụkwọ. Ọ rịọrịọ Eze mgbaghara maka agwa ọjọọ ọ kpasoro ya. Ọ gakwara n'ihu rịọkwaa Nwokeọcha na Ihemjieme nne ya mgaghara. Eze nanwunye ya mechara nye Adaakụ otu ọnụ ụlọ na ụlọ ha ka o biri.

***Adaeze*nke I.U.Nwadike**
Adaeze, nwa Uchechukwu bụ onye a maara niile dịka nwa a zụrụ azụ nke ọma. Uchechukwu nna ya bụ onye na-agba mbọ ma ọ naghị elekọta ezinaụlọ ya anya. Ọ kwenyeghị n'ịzụ nwaanyị n'akwụkwọ makana ọ hụrụ ya ka oke mmefu ego. Ọ bụ Ụzụmma nne y ahụrụ maka agụm akwụkwọ ya.

N'ihi ezi omume ya, amamiihe na nsọpụrụ ọ nwere, e mere ya onye isi ụmụ akwụkwọ n'ụlọ akwụkọ ya. Ọ amaara ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara akwụkọ nke a mere ọ natara onyinye ịgụ akwụkwọ n'efu na mahadum. Na mahadum, Adaeze tuuru ugo ka o si atụrụ na mbụ. Ọ bụ ezie na o zutere ọtụtụ ọnwụnwa na ihe ịma aka n'ihu ma ọ kweghị ka ihe ndị ahụ bụrụ ọgbata uhie nye ya. Ebe ahụ ka ọ hụrụ Nnanna, nwanne enyi ya nwaanyị na koleeji onye

nyere ya aka ọtụtụ oge n'ụlọakwụkwọ. Yan a Nnanna kwekọrịtara ịlụ onwe h ma ọ bata ofufe ala nna ya ọ ga-aga n'Okol steeti ma ọ dịghị ka ha siri kwekọrịta.

Ọ nweghịzị mmasị ebe Nnanna nọ na ngwụcha ofufu ya. O kebiri nay a ga-echi sista. Nne ya na ezinaụlọ ya kwadoghị ebumnobi ya ma Adaakụ gbafuru gbaga na kọnventị ebe a na-echi sista. E mechara chie ya sista na nkwado ezinaụlọ ya ka ọ lọghachiri azụ. O rughị afọ abuo e chiri ya sista, o wuru ụlọ elu na ezi nna ya ma na-azụ ụmụnne ya ndị ọzọ n'akwụkwọ.

Onye chi ya akwatughị **nke C.E.Ofomata**

Ụmụ Osita na Uju mụrụ nwụchara anwụ na-agbanyeghị aja ha chụrụ. Nke a mere ka Osita lụọ nwaanyị ọzọ aha ya bụ Adamma. Ọbịbịa Adamma na be Osita nụụrụ Uju ihe mwute n obi mgbawa. Uju kwakọọrọ \ngwongwo ya laghachi obodo. Adamma gbara oke mbọ ịhụ na Osita chezọrọ maka Uju. Uju kwụghachiri Osita ego nwaanyị o mere n'isi ya nke tụrụ Osita na anya maka na ọ chere na ụmụnna Uju gwara kọrọ ya oku ka ọ kpọọ Uju laa.

Uju biri ego bido ahịa mmanya na ihe oriri na ọnụnụ ka ọ lọghachiri Bini site n'aka enyi ya nwanyị. N'oge adịghị anya, o wuru nnukwu ụlọ ebe ọ na-ere mmanya na ihe oriri na ọnụnụ ya nke ọ kpọrọ 'UJU'S COOL SPOT.' O wukwara nnukwu ụlo na be nna ya ma nyere Azụbụike nwanne nna ya aka.

Adamma, n'aka nke ya bụ onye ume ngwụ. Ọ nochiri anya Uju ebe ọ na-ere mmanya ma ọ nweghị ihe ọ retara n'ihi umengwụ, oke mmefu mkparị ọ na-enye ndị chọrọ ịzụ ya ahịa na ndụ isogharị ụmụ okorobịa na-azụ ya ahịa. Ya na otu nwoke a aha ya bụ Bola mere enyi. Bola nyere Ada ọgwụ ọ ga-etinyere Osita na nri. Ka ọ mere nke a, o buuru akpa ya gaa ebe ya na Bola kwekọrịtara ịhụ wee gawa Legọọsị. Osita dara na nnukwu ọrịa ka o richara nri ahụ Adamma tinyere ọgwụ. Ọ bụ na nke Ahụekwe onye nyere ya ọgwụ gbakere ya ka e bugara ya. Osita nwetara ego lọghachi Bini, bidoo uụwa ya n'isi ka ọ rịasịrị ọrịa

Uju zutere Osita n'ụzọ ka ọ na-ala otu ụbọchị. Ọ kpọọrọ ya gosi ya ụlọ ya ma nye ya ego ka o were leta onwe ya anya. Ọ kwọlara Osita n'ụgbọala ya. Nke a mere ka Osita kwaa akwa arịrị ka o lara ụlọ ya.